Otu ụdị akwụkwọ ndenye EFU nke Ntinye akwụkwọ maka ịnweta enyemaka maka ego, Iwu Enyemaka maka Ego, Nchịkọta Asụsụ Nkịtị, na Iwu Ịgba-ụgwọ na Nnakọta dị na Bekee, Spanish na asụsụ ndị ọzọ ruru mbụrụna akọwara n'Iwu Ntinye akwụkwọ maka ịnweta enyemaka maka ego site na:

- Ịkpọtụrụ ndị Nnabata N'ụlọ-ọgwụ/ Ngalaba ndebanye aha
- Ịkpọ 281.243.1073 ma ọ bụ 281.243.1000, nhọrọ nke 9
- Ikwu ka ịnweta ntinye akwụkwọ site na mailu:
  Attn: Financial Assistance
  16906 Southwest Freeway
  Sugar Land, TX 77479
- Ịbudata ntinye site na Memorial Hermann Surgical Hospital First Colony weebụ: http://www.memorialhermannfirstcolony.com/financial-assistance-program/

**Memorial Hermann Surgical Hospital First Colony**

N'ihụ ma iruru ịnweta enyemaka maka ego, Medicaid, Medicare na ihe omume ndị ọzọ, na maka enyemaka zoro ezo maka ntinye akwụkwọ enyere n'efu, kpọtụrụ:

**Patient Business Services**
Attention: Financial Assistance
16906 Southwest Freeway
Sugar Land, TX 77479

Ekwentị: 281.243.1073 ma ọ bụ 281.243.1000, nhọrọ nke 9

Fraịdee: 8 a.m. - 5 p.m.
Mọnde ruo Tọzdee 8 a.m. - 7 p.m.

Ụbọchị Mbipute: October 1, 2018

MEMORIAL HERMANN

4412293-5/19

# Ego onye ọrịa Nchịkọta enyemaka

## Nchịkọta asụsụ nkịtị



Ajụjụ dị mkpa azara:

- Kedụ ọrụ ndị ekpuchitere?
- Kedụ ka m ga-esi tinye akwụkwọ maka enyemaka?
- Kedụ onye ruru enyemaka?
- Kedụ ebe nkwụsị ụgwọ ọnwa?
- Ọ bụrụkwanụ na m erughị ebe nkwụsị ụgwọ ọnwa?
- Kedụ ebe m ga-esi nweta akwụkwọ maka ntinye?

MEMORIAL HERMANN

Memorial Hermann Surgical Hospital First Colony na enye ndị ọrịa ruru ịnweta ya, n'igbado ụkwụ na ụgwọ ọnwa, nha ezinụlọ na ogo Ịda ogbenye Gọọmenti etiti maka ọkara ma ọ bụ uju mwepụ ego maka ọnọdụ mberede ma ọ bụ ahụike Ndị ọrịa n'achọ ịnweta enyemaka maka ego ga etinyeriri akwụkwọ maka ihe omume a, nke achịkọtara na akwụkwọ a.

## Kedụ ọrụ ndị ekpuchitere?

Iwu Enyemaka Maka Ego (FAP) kpuchiri nleta n'ọnọdụ mberede na nleta ahụike dị mkpa ana enye na Memorial Hermann Surgical Hospital First Colony.

Iwu enyemaka maka ego ekpuchighi: usoro ịchọ mma, nleta ndị ndị dọkịta na ndị ọzọ na-enye gị ọgwụgwọ Memorial Hermann Surgical Hospital First Colony ma ma Ụlọ Ọgwụ enyeghị ha ọrụ, ma ọ bụ ndị na-enye ụgwọ na-akpa iche na Ụlọ Ọgwụ maka ọrụ ha.

## Etu esi etinye akwụkwọ

Enwere ike ịnweta Iwu Enyemaka maka Ego na Akwụkwọ ntinye site n'ije n'onwe gị, site na mailu, site n'ekwentị na site na weebụ Memorial Hermann Surgical Hospital First Colony. Dejupụta akwụkwọ ntinye ahụ, tinye akwụkwọ ndị achọrọ ma wega ya na ngalaba maka Ndebanye aha N'ụlọ Ọgwụ/ Nnabata ma ọ bụ na adreesị ndị edepụtara n'azụ nnukwu akwụkwọ a.

## Anaghị enweta ụgwọ ọnwa

Otu n'ime ihe eji eru ya bụ ụgwọ ọnwa gbadoro ụkwụ na tabulu dị n'okpuru:

**ỤKPỤRỤ NDUZI ỊDA OGBENYE NKE 2019**

| Ndị mmadụ nọ na Ezinụlọ/Ụlọ-obibi | Ụgwọ ọnwa kwa afọ |
|---|---|
| 1 | $ 12,490 |
| 2 | $ 16,910 |
| 3 | $ 21,330 |
| 4 | $ 25,750 |
| 5 | $ 30,170 |
| 6 | $ 34,590 |
| 7 | $ 39,010 |
| 8 | $ 43,430 |

Maka ezinụlọ nwere karịa mmadụ asatọ: tinye $4,420 kwa mgbakwunye mmadụ ọbụla.

## Onye tozuru ịnweta ego enyemaka?

Ego ole enyere na enyemaka dabere na ụgwọ ọnwa gị, nha ezinụlọ na ukelarii ịda ogbenye gọọmenti etiti. Ndị ọrịa nwere ụgwọ ọnwa ezinụlọ pasentị narị abụọ nke ukelarii ịda ogbenye gọọmenti etiti ma ọ bụ pekarịa nwere ike iru mwepụrụ ego ruru pasentị otu narị. Ndị ọrịa nwere ụgwọ ọnwa ezinụlọ karịrị pasentị narị abụọ nke ukelarii ịda ogbenye gọọmenti etiti nwere ike iru mwepụrụ ego.

Hụ ihe ọmụma edere n'uju n'iwu nke dị na: **http://memorialhermannfirstcolony.com/financial-assistance-program**

Ndị ọrịa tozuru etozu agaghị akwụkarị Ego ole ana anata onye ọbụla (AGB) ndị ọrịa ọbụla nwere ịnshọransị maka ihe ọnọdụ mberede ma ọ bụ nleta ahụike ndị ọzọ dị mkpa.

Tụdị foto ọmụma ndị a ka ana anabata maka ngosi nkọwa onwe:

- Kaadị eji anya ụgbọala nke steeti na enye ma ọ bụ mpempe akwụkwọ nkọwa onwe
- Kaadị nkọwa onwe nke nwata akwụkwọ
- Akwụkwọ ikike ngafe (US ma ọ bụobodo ọzọ)
- Akwụkwọ isi obodo ọzọ bịa na US
- Kaadị nkọwa onwe ndị Foreign Consulate na-enye
- Kaadị eji akwụ ụgwọ (nwere foto)